Nnyocha Ọdịdị na Ndacha n' Ịduuazị Ugo chara acha Si n' aka

Ugwuoke Priscilla Ebere Ph.D
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
ebere.ugwuoke@unn.edu.ng
08037786613

Aruah Virginus Onyebuchi
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
onyebuchi.aruah@unn.edu.ng
08039482647
&
Eze Augustina Ngozi Ph.D
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
augustina.ngozi@unn.edu.ng
08062431825

Ụmị edemede

Nchọcha a gbadoro ụkwụ na nnyocha ọdịdị n' ime akụkọ abụọ iduuazị ise akọrọ n' Ugo chara acha. Akụkọ abụọ ndị ahụ bụ oke dị n'ụlọ na Ugo chara acha. Nchọcha jiri atụtụ nzaghachi ọgụụ na Atụtụ Ọdịdị kwara ngwaa ọrụ. Atụtụ nzaghachi ọgụgụ bụ nke gbadoro ụkwụ n' ọgụgụ agụmagụ, Okachasị etu ọgụụ siri hụta ọrụ agụmagụ. Ọ bụ otu n' ime atụtụ nnyocha nke gbadoro ụkwụ n' ịkọwa ihe ọgụụ hụtara dịka ọ na – agụ ọrụ nka. Site n'atụtụ a, ọgụụ na-achọpụta akanka ndị odee jiri dee agụmagụ ha. Nchọpụta gosiri na ndị Odee agụmagụ Ugo chara acha gbaliri na – iji Igbo izugbe dị mfe dee agụmagụ ha. Ọzọkwa, nchọcha a chọpụtara ndacha dị iche iche nke pụtara ihe n' agụmagụ a bụ ebe olundị pụtara ugboro ugboro. Ndacha ndị a bụ nke ha jiri olundị ndị odee webata. Ndacha ndị odee webatara mekwara ka agụmagụ ha dị mfe nghọta. Nchọcha a zipụtakwara okwu mbite dị iche iche ndị odee jiri kwara ngwaa ọrụ bụ nke ha jiri mee ka agụmagụ ha tọọ ụtọ.

Igodo okwu Akanka, agụmagụ, nnyocha ọdịdị na Ugo chara acha.

Mkpọlite

Akanka bụ ihe na-ezipụta otu onye odee siri dee maọbụ kọọ akụkọ ya. Ọ bụ ihe na-eme ka otu odee dịwaga iche na odee ọzọ. Akanka na-egosipụta ọtụtụ atụmatụ okwu na atụmatụ uche nke odee jiri kwara ngwa ọrụ n' edemede ya maọbụ agụmagụ ya. Odee maọbụ ọgụụ ọbụla na-ewepụta akanka n' ụzọ dị iche iche dịka o siri metụta ebumnuche ya. N' edemede a ndị odee jiri akanka atụtụ ọdịdị na nzaghachi ọgụgụ wee kwara ngwa ọrụ. Akanka odee site n'atụtụ ọdịdị (formalism) dịka Nwahunanya (2012) kọwa bụ ileba anya na ngwaa agụmagụ ndị pụtara ihe n' ọrụ agụmagụ. Atụtụ ọdịdị na-enyochakwa ọrụ agụmagụ iji hụ ma agụmagụ, ọ gbasoro usoro a na-agbaso ede nkenụdị agụmagụ ahụ ka ọ bụ na ọ gbasoghị. Ọzọkwa, ndị ntụcha jikwa atụtụ, nzaghachi ọgụụ bụ atụtụ na-enyocha agụmagụ Ọ kachasị etu ọgụụ siri hụta ọrụ agụmagụ. Ọ bụ otu n' ime atụtụ nnyocha nke gbadoro ụkwụ n' ịkọwa ihe ọgụụ hụtara dika ọ na-agụ ọrụ nka. Atụtụ nzaghachi ọgụụ dịka Ubi (2017) kọwa bụ iji anya dị iche iche ndị ọgụụ ji ahụta agụmagụ were nyocha agụmagụ. Nkọwaa pụtara na ndị ntụcha agụmagụ a, jiri ngwaa ọrụ ndị pụtara ihe n' agụmagụ Ugo chara acha nke Chioma. M. Akaeze na Sọpụrụchi C. Aboh haziri were tụcha edemede ha. Ọzọkwa ndị ntụcha jikwa anya ha were nyocha agụmagụ a iji chọpụta adịmọhụrụ ọrụ agụmagụ a iji zipụtakwa mmetụta ndị ọgụụ nwere na mmụọ gbasara agụmagụ a.

Akaeze, Aboh na Ugwuoke (2021) kọwara agụmagụ dịka ọrụ nka nke sitere n' ekemeke uche mmadụ pụta ma bụrụ nke a na – esite n' ime ya ezipụta ndụ na obibi ya ma nwekwa ike ikuzi ihe dịgasị iche iche. Nke pụtara n'esite na nnyocha a, ndị nchọcha ga-ezipụta usoro obibi ndụ ha chọpụtara n'ime agụmagụ a.

Apronti (1978) kọwara agụmagụ dịka ihe niile bụ e jiri mara agbụrụ nke e nwere ike ide n' akwụkwọ maọbụ akọ ya n' ọnụ maọbụ mee ya n' ụdị ihe nkiri ndị mmadụ e kiri ya. Nkọwa Apronti (1978) na – enye ntuzi aka n' ụdị agụmagụ atọ anyị nwere, nke gunyere akụkọ, Abụ na ejije. Agụmagụ atọ ndị a anyị nwere, nwere usoro nke ọbụla na – agbaso n' izipụta ebimndụ n' obodo. Ya bụ n'odee agụmagụ ọbụla tosiri ije akanka ọbụla eji ezipụta nke ọbụla wee kwara ngwa ọrụ n' edemede ya. Nke a na-enye ntuzi aka n' agụmagụ iduuazi bụ agụmagụ jiri akụkọ kwara ngwaa ọrụ dịka akanka. Ọ bụ usoro akọrọ akọ ka elebara anya.

White (1989) kọwara akanka dịka ụzọ dị iche iche mmadụ si egosipụta onwe ya n' ime agụmagụ ya Ọ gara n' ihu kọwaa n' odee nwere ụzọ akanka atọ o ji arụ ọrụ n' edemede ya. Nke mbụ bụ akanka ngosipụta onwe- (style as manna of expression), akanka dịka iweta mgbanwe (style as variation) na akanka dịka ndacha maọbụ ndejọ (style as deviation). Abịa n' edemede a, ndị odee lebara anya n' ọdịdị na akanka ndacha etu o si pụta ihe n' agụmagụ Ugo chara acha. Nke a bụ ikwado echiche Chinagọrọm (2005) bụ onye hụtara akanka dịka ndiiche na ọpụrụiche dị n' edemede maọbụ agụmagụ, maọbụ ekwuru ekwu site n' iji ezi ọmụmụ dị n' ọkasụsụ chọpụtagasịa ihe ndị pụtara ihe na ha. Offịa (2022) kọwara akanka dịka ụzọ mmadụ si egosipụta onwe ya. Ọ gara n' ihu kọwa na mmadụ maọbụ odee ọbụla maọbụ obodo ọbụla nwere ụzọ ha si ewebata, ahazi maọbụ edeko mkpụrụokwu ha mgbe ha na – ede ihe. N' ebe a anyị ga – eleba anya etu odee si webata olu mba nke gosiri ndacha n'Igbo izugbe na ọdịdị nke agụmagụ ahụ bụ etu ndị obodo ndị pụtara n' agụmagụ si edepụta mkpụrụokwu ha ma na-egosipụta onwe ha.

N' agbanyighi n' akanka nwere uru dị iche iche ha bara nke gunyere ụzọ odee si egosipụta onwe ya, maọbụ ụzọ esi ewebata mgbanwe na ụzọ asụsụ si eto, ụfọdụ ndị odee na ewebata ha, aghara aghara n' edemede ha chere na mmadụ niile ga amata ihe ha dere. Mgbe ụfọdụ ọgụgụ edemede eji ndacha dee na abụ ihe nhịa ahụ nye ọtụtụ ndị ọgụụ. Ọ bụ ihe dị otu ka ndị ntụcha jiri nwe mkpebi ka ha lebe anya na ndacha na ọdịdị pụtara ihe n' akwụkwọ Ugo chara acha maka ezi nghọta agụmagụ maka ndị amaghị olumba ndị ahụ. Nyocha na ezi nkọwaa ndacha na ọdịdị odee agụmagụ ga- eme ka ihe edere n' agụmagụ nwe ezigbo nghọta ma dị ụtọ. Nyocha a ga-abụ enyo nye ndị agụmagụ.

Mbụmnuche nchọcha

Mbụmnuche nchọcha bụ ilebe anya n' ọdịdị na ndacha dị n' akwụkwọ Ugo chara acha. Nke a ga – eme ka ezipụta ụzọ ndị odee ndị sịrị dị iche iche n' odee ndị ọzọ. Nke ọzọ bụ ntụcha odee ndị a ka ha mara mperi pụtara ihe n' agụmagụ ha site n' atụtụ nzaghachi ọgụụ na atụtụ ọdịdị.

Nsogbu nchọcha

Ndị nchọcha hụtara ọtụtụ ndacha dị iche iche batara n' ọdịdị na agụmagụ Ugo chara acha nke bụrụ ha akamgba maka ịtapị edemede ka enwe ezigbo nkọwa na

nghọta. Ha gbaliri oke ha saa anya mmiri chọpụta ọtụtụ olumba dị iche iche na ọtụtụ okwu bekee ndị odee mere ntụgharị ha ma kọwa ha, ka ya bụ agụmagụ nyewanye ọgụụ nghọta. Site n'ọrụ a, ndị ọgụụ ga-amata okwu aka mkpa batara n' agụmagụ Ugo chara acha nke Akaeze .M. na Aboh Sọpụlụchi haziri.

Uru nchọcha

Nchọcha a ga enyere ndị ọgụụ aka ị mata ụdị akanka ndị odee jiri rụọ ọrụ ọkachsị etu ọdịdị na ndacha si pụta ihe n'ime agụmagụ a. Nchọcha a ga- enye aka ị mata odee nke ọma ebe odee si abịa na ebe odee na-eje. Ọ na-enye aka ịsa anya ọgụụ ka a mata ihe bụ akanka na mgbe ha ga-ewebata akanka dabara adaba na mgbe ha na ede nke ha. Ọ ga-eme ka ndị mmadụ mara ndị odee agụmagụ ma mara agụmagụ ha dere. Ndị ntụcha ndị ọzọ ga-elere anya, tụcha agụmagụ Igbo ọzọ nke abụghị Ugo chara acha.

Oke nchọcha

Oke nchọcha agụmagụ bụ akanka gbasara ọdịdị agụmagụ na ịchọpụta ụfọdụ ndacha pụtara ihe n' agụmagụ Ugo chara acha. Nke a gbadoro ụkwụ n' akụkọ abụọ n' ime akụkọ ise mebere ugo chara acha. Akụkọ ha lebara anya bụ- oke dị n' ụlọ na ugo chara acha.

Usoro nchodo

Usoro nchọcha gbasoro bụ usoro nkọwami site n' iji atụtụ ọdịdị na atụtụ nzaghachi ọgụụ, nyocha oke dị n' ụlọ na ugo chara acha.

NTULEGHARỊ AGỤMAGỤ

Na nkebi a, ndị nchọcha lebara anya na ndịnaisiokwu dị iche iche nke nyere ha aka maka nghọta ọrụ ha nke ọma, ọrụ ndị arụgoro gbasara isiokwu na atụtụ nchọcha gbasoro.

Ndịna isiokwu

Isiokwu ndị a ka anyị tuleghariri maka ezigbo nghọta gunyere nnyocha, agụmagụ, akanka, ọdịdị na Ugo chara acha.

Nnyocha dịka Reeves (1979) kọwara bụ mgbazi dị n' ime agụmagụ n' ụzọ ilebe anya n' ihe agụmagụ na-ekwu maka ya, nhazi akụkọ na nka asụsụ nke e jiri dee

agụmagụ. Nkọwa nke a na-egosi na nnyocha bụ mmadụ ileba anya n' ime agụmagụ ma tụcha odee na ihe o dere gbasara isiokwu dị n'ime agụmagụ ahụ. Nwadike (1992) na nkọwa nnyocha kwuru na nnyocha bụ mmadụ iji anya okenye ji ele ihe dị n' akpa ogologo wee lebe anya n'ime agụmagụ iji chọpụta nke ọma ebe ọ nọrọ rie mperi. Nwadike (1992) kọwakwara, nnyocha bụ ihe dịrị ọnye na-eme nchọcha, nke ọrụ ya bụ ikuziri ọhanaeze ihe ndị ha amaghi maọbụ ndị nke na-edochaghị ha anya. Nke a gosiri na nnyocha bụ onye nnyocha ibido n' isi akwụkwọ agụmagụ leba anya etu odee agụmagụ siri họpụta isiokwu ya, etu o si hazi akụkọ maọbụ emereme dị n' ime agụmagụ ahụ, nka mma dị iche iche o ji chọ agụmagụ ya mma, olu odee, nkuzi dị iche iche agụmagụ ahụ na-enye na ihe ndị ọzọ zoro n' ime agụmagụ ahụ maka ezi nghọta agụmagụ ahụ. Ụzọchukwu (2012) kọwara na nnyocha agụmagụ na – eleru anya na nsịkwu, nsịcha, ntule na nnyocha agụmagụ metụtara ọmụmụ akanka agụmagụ bụ ọchọcha ịgbado ụkwụ n' itule nka mma dị n' agụmagụ.

Offia (2022) kọwara nyocha dịka ọgụụ ileba anya kpọmkwem n' ihe edemede na-ekwu maka ya. Nke pụtara n' ọrụ onye nchọcha n' ime agụmagụ ọbụla dịka onye nnyocha bụ iji anya ya, echiche ya nke bụ akọ na uche ya nyochapụta odee na nkuzi dị iche iche odee na-ezipụta n'ime agụmagụ ya.

Agụmagụ

Nwadike (1992) kọwara agụmagụ n' ụzọ abụọ. Nghọta nke mbụ bụ nghọta izugbe nke gosiri agụmagụ dịka ihe ọbụla ederede. Nghọta nke abụọ nke Nwadike (1992) kọwara agụmagụ dịka ọrụ nka bụ nke e sitere na ya na-akọwapụta ma na-ahụ ndụ anya. Nke a gosiri agụmagụ dịka ekemeke uche nke eji akọwapụta ndụ ma jiri ya na agbaziri ndụ. Okoye (2009) kọwara agụmagụ dịka echiche miri emi nke mmadụ chepụtara maka mmadụ, obodo na ihe ọbụla e nwere ike ị depụta maka ya. Okoye (2009) na-enye ntuzi aka maka ngalaba agụmagụ ọdịnaala na agụmagụ ugbua.

Akaeze, Aboh na Ugwuoke (2021) kọwara agụmagụ dịka ọrụ nka nke nwere ngalaba atọ dị ọkpụrụkpụ, ha gunyere ngalaba ọdịnịigha, ejije na abụ. Nkọwa ha gosiputara na ngalaba agụmagụ ọdịnịigha bụ ọrụ nka maọbụ akụkọ arọmarọ. N' ihe ọmụmụ a, ndị nyocha gbadoro ụkwụ n' Ugo chara acha bụ ọrụ nke arọmarọ. Ha nyochara ọdịdị na ndacha n' ime agụmagụ iduaazi a. Site na nkowa Akaeze,

Aboh na Ugwuoke (2021), ugo chara acha bụ akwụkwọ ọdịnịịgha. Nke bụ maka n'akụkọ ahụ niile bụ akụkọ arọmarọ.

Akanka

Leech (1969) hụtara akanka dịka ejirimara nke ndị lingwistiiks na-ahụta n' agụmagụ edere ede. Nke a gosiri na n'ime agụmagụ ọbụla, na a ga-ahụtarịrị ọrụ nka nke eji asụsụ rụọ. Leech (1969) gakwara n' ihu kọwa akanka dịka ọrụ izipụta mmetuta odee site n' etu o siri chọọ iji asụsụ rụọ ọrụ n' edemede ya. Ihe nkọwa a pụtara bụ na ọ bụ asụsụ ka akanka ji arụ ọrụ.

Falk (1984) hụtara akanka ka ọnọdụ dị iche iche nke na-apụta ihe mgbe mmadụ na-egosipụta onwe ya. O gara n' ihu kọwa na ọbụ ụdị asụsụ dị iche iche ka mmadụ ji egosipụta ọnọdụ bụ akanka.

Ụzọchuku (2012) kọwara akanka dịka otu mmadụ n' ime agụmagụ si ewepụta nkamma site na ndagba maọbụ ndacha asụsụ. Nke a gosiri n' edemede ọbụla nwere asụsụ e ji ede ya. Ọ bụ asụsụ e ji dee edemede maọbụ agụmagụ na -egosipụta ma odee o jiri ndagba maọbụ ndacha mere akanka n' ime agụmagụ ahụ,

Ọdịdị

Ọdịdị dịka Akaeze, Aboh na Ugwuoke (2021) si kọwa bụ ihe na-arụtụ aka ka emereme ndị ahụ dị n' ime akụkọ si agakọrịta ọnụ maka imebe akụkọ. Ha gara n'ihu kọwa n' ọdịdị bụ emereme ndị ahụ dị n' ime agmagụ nke na-agakọrita ọnụ n' usoro ga-ejikọta akọmakọ na isiokwu ya ọnụ.

Mbah na Mbah (2001) na ntụgharị kọwara ọdịdị dịka usoro etu emereme si mee n'ime agụmagụ. Ha gara n' ihu kọwa ọdịdị ka otu odee siri hazi ihe mere n' agụmagụ nke gosiri n' akụkọ odee dere bụ akọ na uche ka ọ na-eji ahazi ya. Nhazi akụkọ n' ime akwụkwọ agụmagụ na-egosipụta akanka Odee. Nke a na-egosipụta na ọdịdị bụkwa akanka n' ime agụmagụ Ugo chara acha nke ndị odee lebere anya na ya.

Ọrụ arụrụla gbasara isiokwu

Nwadike (1992) mere nnyocha site n' akwụkwọ Nzeakọ bụ akwụkwọ agụmagụ ọ kpọrọ *ọkụkọ agbasa okpesi* na chi e were ehihie jie. Mbunuche nchọcha ya bụ

ịchọpụta akanka pụtara ihe n' akwụkwọ ndị a nke Nzeako dere. Nwadike jiri nkọwami depụta ihe o dere. Nchọpụta gosiri n' agụmagụ *ọkụkọ agbasaa okpesi* na *chi e were ehihie jie* bụ maka omenaala. Nwadike ji ilu ndị Igbo dị iche iche atụpụta ihe mere n' akwụkwọ ahụ. Nkọwpụta Nwadike gosiri na Nzeako bụ onye ihe omenaala Igbo na-amasi. Myiri Nwadike, (1992) na nke ugbu a bụ ngosipụta akanka odee. Ndịiche bụ usoro e ji egosipụta akanka na akwụkwọ ha jiri rụọ ọrụ nchọcha.

Alamba (1995) j*iri Isi kote ebu* nke Fidelis Ihentuge mee nchọcha maka ndị na ya na akanka. Mbunuche Alamba (1995) bụ ịchọpụta akanka Fidelis Ihentuge jiri dee *isi kote ebu*. Alamba jiri nkọwasị kwara ngwa ọrụ n'ime edemede ya. Ntụcha akwụkwọ a gosiri Fidelis Ihentuge dịka onye omenala na-amasị. Fidelis Ihentuge *jiri Isi kote ebu* katọ agwaa ọjọọ ndị mmadụ. Alamba(1995) hụtara Fidelis Ihentuge ka onye anaghị atụ ilụ aghara aghara ka ihe ọ na-ede dị mfe ma daba na nkọwa isiokwu ya. Akanka ya bụ iji ahịrị mfe zịpụta mbumnuche ya. Myiri dị n' ihe Alamba (1995) dere na edemede a bụ maka akanka. Ndịiche bụ akwụkwọ e jiri mee nchọcha ndị a, tinyere atutu ndị nchọcha gbasoro.

Nwadike (1998) mere nchọcha gbasara akanka ubesie jiri dee *jụọ Ọbinna, Ụkwa ruo oge ya ọdaa na Mmiri ọkụ eji egbu mbe*. Nwadike (1998) hụtara Ubesie site na akwụkwọ ya ndị a dịka odee nwere ụbara ekemeke uche. Ọ kọwara na nke a pụtara ihe etu Ubesie si hazie akanka ya nakwa akparamagwa ndị agwa. Myiri dị n' ihe Nwadike (1998) na nke a bụ usoro odide. Ndịiche bụ n' akwụkwọ ha jiri rụọ ọrụ.

Igboanusi (2001) mere nchọcha okwu ọdịnaala n' agụmagụ ọdịnaala Naịjirịa. Igboanusi jiri ọtụtụ ọdịniigha ndị odee ụmụ Igbo dere n' asụsụ bekee. Mbumnuche ya bụ ịchọpụta usoro na nkanka ndị ụmụ Igbo dere akwụkwọ bekee jiri dee ha. Na nchọcha ya, Ọ chọpụtara n' ọtụtụ ụmụ Igbo dịka Buchi Emecheta, Cyprain Ekwensi, Nkem Nwankwọ na Elechi Amadi dere agụmagụ ha na bekee ma na-ewedata okwu ọdịnaala Igbo n' ọdịniigha ha na ede. Myiri dị n' ihe Igboanusi (2001) na nke a bụ maka nnyocha akanka odee. Ndịiche ha bụ n' Igboanusi (2001) bụ akwụkwọ ụmụ afọ Igbo jiri Bekee dee ebe nke a bụ Igbo edere n' Igbo.

Atụtụ nchọcha gbasoro

Nchọcha a gbasoro atụtụ nzaghachi ọgụụ na atụtụ ọdịdị tụcha Ugo chara acha. Atụtụ nzaghachi ọgụụ bụ atụtụ were ogo dị elu malite n' afọ (1980) site n' aka Norman Holland na ndị otu ya. Atụtụ a gbadoro ụkwụ ka ọhaneze si hụta ọrụ nka n' oge ha nọ dịka ọgụụ. Nke a pụtara na ebumnuche ọgụụ dị oke mkpa nye agụmagụ maka nnyocha. Nke a pụtakwara na iji atụtụ a nyocha agụmagụ gbadoro ụkwụ na ọgụụ na ihe ọ hụtara n' ọrụ agụmagụ. Atụtụ nzaghachi ọgụụ nwere mpagara dị iche iche mana ha niile na-arụta aka na nnyocha agụmagụ site na enyemaka ọgụụ.

Nke abụọ ndị nchọcha nnyochakwara nchọcha a site n' atụtụ ọdịdị ka nghọta nchọcha a zuo oke. Atụtụ ọdịdị bụ atụtụ agụmagụ malitere na Moscow na St. Petersburg na mmalite senchụrị iri abụọ (Abrams na Harpham 2012). Atụtụ ọdịdị na agbado ụkwụ na-inyocha ọdịdị agụmagụ. Ọ naghị lebara anya n' ihe agụmagụ pụtara maọbụ omenala pụtara n' ime agụmagụ. Ọ bụ etu esi dee agụmagụ bụ ihe mgbado ụkwụ ya.

Site na ntuzi aka nkọwa atụtụ nzaghachi ọgụụ na atụtụ ọdịdị, ndị nchọcha ga ejiri ha abụọ rụọ ọrụ na ntụcha edemede a. Ya bụ na ntụcha agụmagụ ndị ntụcha agbadoro ụkwụ n' ihe ha gụtara n' agụmagụ tinyekwara na ha lebara anya na ọdịdị agụmagụ ka nghọta ntụcha wee zuo oke maka ezigbo nghọta.

Ntụcha Data Nke Gbasara Ọdịdị Agụmagụ Ndị A

N' ebe a, anyị ga eleba anya n' ọdịdị akwụkwọ agụmagụ 'Ugo chara acha' na otu ndị ọgụụ si ghọta ihe ndị odee dere. Ya bụ nkọwa nke ga-esite na nzaghachi ọgụụ. Ndị odee bidoro na mbụ nye akwụkwọ ha aha ya bụ n' ihu akwụkwọ isiokwu-Ugo chara acha.

Aha ndị dere ugo chara acha bụ Okm. Chioma M. Akaeze nke ji nzere ndị a- DIP (SWK), B. A., MA, na Ph. D. (lingwistịks na Igbo). A mụrụ ya n' Ehime mbanọ ma na-alụ ya n' Aniọcha South nke steeti Delta.

Onye nke abụọ soro hazie akwụkwọ a bụ Maazi Sọpụtụchi C. Aboh, nke bụ onye nkuzi na ngalaba lingwistịks, Igbo na asụsụ Naịjirịa ndị ọzọ, nke Nsụka. Maazi S. C., Aboh ji nzere B. A (Lingwistịks/Igbo) na M.A (Lingwistịks) ma na – atụkwa

anya nzere Ph.D. Ọ bụ onye Nanka dị n' okpuru ọchịchị Orumba North, steeti Anambra. Afọ mbipụta akwụkwọ a bụ (2020) Ndị bipụtara ya bụ Ndị Pacific Publishing Co Pacific L. T. D.
Ebe mbipụta ya: Obosi: Nigeria n' afọ 2020.
Akụkọ ole a kọrọ n' ime akwụkwọ a dị ise. Ha gunyere (a) Oke dị n' ụlọ - pages. (7 – 40)
(b) Ugo chara acha pp (41 -57)
(ch) Ụtọnwa pp (58 -77)
(d) Ụwa nwa ogbenye pp (78 – 89)
(e) Nkwere pp (90 – 99)
Ihu akwụkwọ odee Ugo chara acha bụ ihe akwụkwọ iri igeghete na iteghete.

Nkenke nkọwa Oke di n'ụlọ
Oke di n'ụlọ

O nwere otu nwoke aha ya bụ Obigbo Nzeadị, onye Mbaraodogwu. Nwunye ya bụ Ụlọakụ bụ nwaanyị nwere umeala na-emekwa ọtụtụ ihe na-eleghi mmadụ ọbụla anya n'ihu. Nne ya bụ Nwaanyịnkwọ mụrụ ha ụmụ nwoke ise nke ndị akpọrọ aha ha n'akụkọ a bụ Obigbo ego eji arụ ụlọ ha. Nna ha chọrọ ka Obidike lọta ụlọ mana ohere adighịrị Obidike. E mechara nna ha nwụọ nke Obidike kpara akụ erisi bata obodo mbaraodogwu, onye nụ na Obidike batara, o were ọsọ na-agbarute ka o were anya ya hụ. Obidike rụrụ ụlọ nna ya bụ na onye gafeta, ọ kwụrụ kirie tupu o jebe ebe ọ na-eje. Obidike na-enyere onye ukwu na onye nta aka. N'agbanyeghị ihe niile ndị a Obidike mere, ụfọdụ na-enwere ya anya ụfụ tinyekwara Obigbo bụ nwanne ya. Anya ụfụ a abụghị maka Obidike nwere ego kama na ọ naghị enwetazị ego ka o si enweta mgbe Obidike ka nọ n'ala Kameroon. Echiche ọjọọ bidoro bịawa ya n'obi. Ọ wee kpaa nkata ka a tọrọ Obidike na Obinna nwa nke ya bụ Obigbo ka ọ ga-abụ na ndị obodo Mbaraodogwu ghara ịchọpụta na ọ bụ ya kpara nkata ọjọọ ahụ. Ihe ndị a niile bụ ka o were napụta Obidike ọkpụrụkpụ ego ọ ga-eji bido ahịa ma bidoro Obinna nwa ya ahịa. Mana gịnị mere o jighi meghee ọnụ rịọ Obidike ihe bu mkpa ya? Ka ajụjụ dibagodu. Eze Mbaraodogwu mechara tinye ọnụ n'ihe merenụ ma gbaa mbọ hụ na akpọpụtala Obidike na Obinna site n'inweta ego nde naịra atọ n'ikpere mmiri ọkwaraogwugwu nọ n'Amaasaa dịka ndi tọrọ ha siri kwuo. Ugbu a, Obidike na Obinna alọtala mana nke a emeghị ka eze ahụ gba nkịtị. Ọ sịrị na ụdịrị ihe dị etu a emetubeghị kemgbe Mbaraodogwu jiri dị ire, ya mere o jiri tinye iwu na onye

Mbaraodogwu ọbụla ga-anụ iyi iji chọpụta ka mmiri siri banye n'opi ụgbọgụrụ. Dika omenaala ha siri di, ọ bụ ezinaụlọ ihe mere n'ebu ụzọ anụ iyi. Mgbe Obidike Obigbo were Kpaa ajọ nkata ahụ. O mechara were ụjọ kwuo eziokwu ka ihe niile siri mee. Ụzụ turu ebe niile, ewee jide ha abụọ, kpee ha ikpe ma tụọ ha nga afọ iri atọ ma nye iwu ka onye ọbụla ghara inwe mmekọrịta ọbụla ruo afọ iri atọ ahụ. Ihe ndị a niile riri Obidike ọnụ. Obidike na-ata n'abụ Obigbo n'obi, Obigbo na-ata n'abụkpọsị ya anya. Ọ bụ ihe ndị a mere Obidike jiri ghọta ilu ndị Igbo tụrụ si na Ọ bu oke dị n'ụlọ gwara nke di n'ama na azụ dị na ngịga.

Site n'iji atụtụ nzaghachi ọgụụ wee tụchaa oke di n'ụlọ, ọgụụ ga na-ekwn sị, ego ndị a Obidike kpatara, gịnị mere o Jighi ha were ya mepere nwanne ya ahịa nke ya ka o soro na-akpata? Ọzọkwa ha jụrụ, ọ bụ gịnị mere Ọbigbo ejekwughị nwanne ya bụ Obidike rịọ ya ka ego ọ ga-eji bido ahịa nke ya? Nke atọ, ha na-aju ọ bụ gịnị kpatara Obidike alọtaghị kemgbe nna ya nọ ndụ, ọ bụrụzie mgbe nna ya nwụrụ ka ọ lọtara ma buru ego lọta? N'ime ajụjụ ndịa, ndị ọgụụ bụ ndị nchọcha chọputara ihe ndịa ma, gbado ụkwụ ka ha si ahụta ọrụ nka n'oge ha nọ dika ọgụụ.

Nke abụọ bụ Ugo chara acha bụ akụkọ Chinaza Obiefuna dere

N'ime akụkọ Nneka bụ nwata mara mma nke ukwuu, ọ bụ naanị nwa Maazị Echieteka na nwunye ya bụ Nneoma mụtara n'obodo Ụmụeke. Nna ya bara ọgaranya nke ukwuu. O nwere ọtụtụ ihe akụ na ihe enwe enwe dị iche. Nneka bụ nwata mara akwụkwo nke ukwuu, o nwere ezi agwa nke eji ama atụ n'obodo Ụmụeke niile nakwa n'ụlọ akwụkwọ ya. Ihe ndia niile emeghị ka Nneka nwee mkpako, ego niile a Maazị Echieteka nwere emeghi ka ọ ghara izụlite otu mkpụrụ nwa Chineke nyere ya ọfụma. Ọ bụ Nneka na-eje ozi niile dị n'ụlọ.

Akwụkwọ Nneka mara mere o jiri soro na ndị mere nke ọma n'ule jambụ na ule postu jambụ na mahadum di n'Enugwu. Obi tọrọ nne na nna ya utọ. Ha zụnyere ya ihe niile ọ chọrọ iji bido akwụkwọ na mahadum. Ihe ndị a na-emereghị Nneka bụ nke nne ya na nna ya na-echetaghị.

Ugbu a na mahadum, agwa Nneka na-ekwuru ya ọnụ ya ebe ọbụla o jere. Onye ọbụla bịara ya nso chọrọ ịbụ enyi ya. N'agbanyeghị agwa ọma Nneka, ọ bughi onye ọbụla ka ọ dị mma n'obi. E nwere ndị ụmụ akwụkwọ klassị ya ndị kpọrọ onwe ha **Silee Mamas** obi adịghị mma n'ebe Nneka nọ. Anya ụfụ a kwanyere njọ

mgbe Chika, nwata nwoke jiri mma meruọ onwe ya ahụ bụ enyi Nneka. Nke a mere ha jiri sị na Nneka nara ha enyi ha nwoke. Anya ụfụ a kpatara ha jiri kpaa nkata ọjọọ, ghọpụta ụmụ nwoke ise ga-awakpọ Nneka n'ụzọ, tie ya ihe ma meruọ ihe nwaanyị ya etu o siri masị ha. Ndị Igbo tụrụ ilu sị na ewu na-enweghị ọdụdụ, chi ya na-achụrụ ya ijiji, ọ bụ ndị nche ụlọ akwụkwọ hụtara Nneka ka o si feloship ala ụlọ ya, ha kwekọrịtara idula ya n'ihi na chi ejiela. Mgbe Nneka na-aga, jụkwaese, ndị otu ya na ụmụ okorobịa ise ahụ mapụtara ebe ha zoro ka ha wakpọ na amaghị na ndị nche ahụ so ya n'azụ, aka wee kpara ha, ewee chụọ jụkwaese n'ụlọakwụkwọ, ngalamala sochiri ya azụ.

Ọ bụ eziokwu na Nneka na Chika bụ ezigbo enyi miri emi. Ọ bụ Nneka nyere Chika aka nweta ebe obibi ya ma zunye ya ekwentị ọ ga-eji na-achọpụta ihe nhịahụ na intanetị. N'agbanyeghị ihe ndị a niile, iwe Chika bụ na ya na Nneka emekọbeghị mmekọ nwoke na nwaanyi. Jụkwaese sịrị ya na onweghị ka nwaanyị ga-esi hụ gị n'anya ghara ikwe ka ụnụ nwee mmekọrịta. Ọ bụ ya kpatara o jiri chee na Nneka a hughị ya n'anya ma soro jụkwaese kpaa nkata ọjọọ ahụ ha kpara ịwakpọ Nneka mgbe o si feloship a lọta, Eeh! Chika so wee kpaa ya bụ nkata mere ya na Nneka na-eso mgbe ọbụla ejighi soro ya na nke ụbọchị ahụ. Nneka amaghị ụdịrị mmadụ Chika bụ. Obi Nneka n'ebe Chika nọ bu ihụnanya mana obi Chika n'ebe Nneka nọ bụ ekworo. Ka ịma nke a, ịma nke ọzọ? O wee bụrụ na nkata niile ndị a kpakọbara nwere onye ma maka ya, aha ya bụ Chioma. Chioma méchara gwa Nneka onye Chika bụ. Ọ nwere onye ọ ga-abụ ọ kwete na Chika na-echere ya echiche ọjọọ? Mana ka Chukwu si arụ ọrụ ya, Nneka mechara gee Chioma ntị, ọ wee kọrọ ya ka o siri nụchaa ihe niile Chika na jụkwaese kpara megide ya mana ụjọ ekweghị ya bịa kọtara ya.

Ule ikpeazụ ka ha na-akwado nke ọ bụ ya ga-ekpebite ha ị bụ ndị ọka ikpe, Chika rịọrọ Nneka ka ọ bịa n'ụlọ ya ka ha gụkọọ akwụkwọ ọnụ. Ndị Igbo sị na onye ya na ekwensu na-erikọ nri na-eji ogologo ngazị. Nneka kpọrọ ụfọdụ ndi nche were jee ụlọ Chika. Mgbe Chika bịara ka ọ wakpọ Nneka, mkpu Nneka mere ka ndị nche ahụ pụta ma nwụchie Chika. Otu a ka ọchọ ihe ukwu siri nweta agba enyi, ngalamala n'ikpeazụ.

Nneka lelere ule ahụ, mgbe ụsa ya putara, ọ bụrụ onye kacha nweta nzere na ngalaba ahụ. Ha zipuru ya obodo oyibo ka ọ gụtọpụ akwụkwọ ya. Chineke gosiri

Nneka site n'inye ya ezigbo di na nwa nwoke nke mbụ, abụọ na atọ. Nneka bụ otu nwa a mụtara mana o gbochighi ya imezu ihe Chineke kwadoro ya maka na Ugo chara acha adighi echu echu.

Atụtụ nzaghachi ọgụụ pụtara ihe ebe a n'uche ọgụụ bụ, gịnị mere mmadụ mechara mmadụ ibe ya ihe ọma, e were ihe ọjọọ kwụghachi ya azụ? Kedụ ka Chika si ata aka n'azụ ya arụ?

Ntụcha data nke gbasara ndacha

Ntụcha gbadoro ụkwụ na akụkọ abụọ dị n' ime agụmagụ Ugo chara acha. Akụkọ ndị ahụ bụ - Oke dị n' ụlọ na Ugo chara acha. N' ime akụkọ ndị pụtachara anyị tuchara ụfọdụ atụcha ndacha ndị pụtara ihe n' ime akụkọ ndị ahụ. Ndacha n'ime ntụcha bụ okwu ndị ahụ odee mafere aka n' ihe e nwere n' asụsụ Igbo izugbe ma dee agụnagụ a n' ụzọ onye ọbụla ga – aghọta ya n' agbanyeghi na ọ mafere aka n' asụsụ Igbo izugbe na ihe asụsụ Igbo nabataara. Ọzọkwa ndị ọchọha gosipụtara ekemekeuche ndị odee na asụsụ ha site na idepụta ihe ndị adighị n'asụsụ Igbo izugbe ndị mmadụ ji ede mana akpịrịtaụka n' asụsụ Igbo Izugbe. Na nchọcha, ndị nchọcha lebara anya na ndacha mkpụrụokwu bekee na olundị.

Oke dị n' ụlọ = Okwu Mbite

S/N	Okwu Mbite Igbonization	Igbo Izugbe	Ihu akwụkwọ/page	Nkọwa Bekee
1	Bọyi bọyi	Odibo ahịa	11	Apprenticeship
2	Simịon	Simịon	13	Name of a Person Simeon
3	Tankị	Udu mmiri bekee	14	Tank
4	Pọpịị	Ojoro/aghụghọ	19	Deceive
5	Katikiiz	Osote ụkọchukwu	23	Catechist
6	Buutu	Uwe ụkwụ	23	Boof
7	Trawụza	Uwe ogologo ọkpa	23	Trouser
8	ọtụgwa	Igodo	24	Key
9	Stịarịn	Stịarịin	24	Steering

10	Gaais	Ndị ntorobịa	25	Guys

Ugo Chara acha

1	Kọkọn intrans	Ule ịba sekọdịrị	42	Common entrance
2	Wayeeki	Ule sekọndịrị ndị WAEC	44	WAEC
3	JAMB	Ule ịba mahadum	44	JAMB
4	Intaneti	Ozi ikuku	48	Internet

Ndacha olu ndị

1	Eti epele	Egwuriegwu	8	Fun
2	Alọla	Alọtala	13	Returned
3	Ịyọla	Nnọ	13	Welcome
4	Fenye	Bata	16	Enter
5	Ganye	Ruo	8	Until
6	Ya diwa nga	Ya diwa godu	27	Let it be

Ụfọdụ okwu ndị a bụ ebe ndị odee webatara ndacha ka ha nwe ike kọwaru ihe dị ha n′ echiche.

Nchọpụta/Nchịkọta

Site na nchọcha a, anyị chọpụtara n′ akanka odee niile abụghi otu. Akanka ndị odee na apụta ihe n′ edemede ha dịka otu ekemeke uch ha si ha. Nchọpụta gosiri na ndị odee webatara olu ndị na olu onye dị iche iche. Olu ndị ha pụtara ihe ebe anyị depụtara ọtụtụ ndacha ha webatara. Nchọpụta gosiri na ndacha n′ ime agụmagụ emeghi ka Ọgụụ ghara ịghọta akanka nke ọma. Akanka ha gosiri na iduuazi ugo chara acha bụ iduuazi ọlọrọọhụrụ Igbo. Nke a gosiri onwe ha site n′ ihe ndị odee rụtụrụgasịrị aka bụ ihe na-eme n′ oge ụgbụ a.

Ntunye alo

Ndị nchọcha na-atunye ka onye ọbụla bụ onye Igbo na ezipụta mmasi maka ịmụ asụsụ Igbo. Nke a ga-adị ire mgbe ha na-enwe mmasị n′ ịgụ ihe ndị odee mara ihe ckwe na-akụ n′ agụmagụ dere.

Ndị odee agụmagụ kwesiri mgbe na mgbe ha depụta okere agụmagụ dị ka ugo chara acha, tinye agụmagụ ahụ n' ahịrị dị mfe maka ndị na – amụ Igbo. Ndị odee agụmagụ kwesiri inwe n' ikpazụ okwu ọbụla na-agbasoghi usoro odide Igbo. Ọzọkwa ha kwesiri inwe ezigbo nkọwa gbasara okwu ndị ha webatara bụ nke gosiri ndacha n' asụsụ Igbo. Nke a ga – eme ka asụsụ Igbo na-etowanye/amụba.

Edensibia

Abrams M. H. of Harpham G. G (2012): *A glossary of literary terms* (10th ed.). Biston: Wadsworth Cengage learning.

Akaeze, C. M., Aboh, S. C. & Ugwuoke, P. E. (2021). *Ntọala Ọdịniigha Igbo Ọlọrọchụrụ.* Obosi: Anambra

Akaeze, M. C. na Aboh S. C. (2020). *Ugo chara acha*. Anambra, Pacific Correspondence College and Press LTD.

Alamba, J. O. (1995). *Ndinaya na akanka isi Kole etu nke F. A. Heritage*. B. A. thesis Ngalaba Linguistics, Igbo na Asụsụ Naijiria Ndị ọzọ nke Nsụka.

Apronti, E. O. (1978). Writer in our Society. In D. Nwoga (Ed.), *Literature and Modern West African Culture*. Benin: Ethiope Press.

Chinagọrọm, L.C. (2015). Promoting Indigenous Languages a sin-qua-non for the Rebranding of Nigerian Education. *International Journal of Strategic Research in Education, Technology, and Humanities, 2*(2), 28-37.

Igboanusi, H. (2001). *Language Attitude and Language Conflict in West Africa*. Michigan University Press.

Leech, G. N (1969). *A linguistic guide to English Poetry* London: The Macmillan Ltd.

Mbah B. M. na Mbah, E. E. (2007). *Azụonye*: *lectures on Igbo literature and stylistics*. Nsukka: University Press Ltd.

Norman, H (2021). *The Matrix: Poems, 1960-1970* (Lost Literature Series No. 35). First edition, first printing. Primary Information. McNaughton & Gunn.

Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala agụmagụ*. Onitsha: Ifunanya Publisher.

Nwahnanya, C. (2012). *Literary Criticism Critical theory and Postcolonial African Literature* (3rd ed.). Owerri: Springfield Publishers Ltd.

Offia, C. B. (2022). *Nnyocha Akanka ṅ Iduuau Ugo chara acha*. B. A Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages University of Nigeria Nsukka.

Okoye O. L (2009). *Ntuzi aka Maka Ụdasụsụ, Ụtọasụsụ na omenaala Igbo nke ndị sekọdịrị nta nke abụọ*. Enugu: Academic Publishing Company.

Reeves, J. (1979). *The critical sense*. London: Heinemann.

Ubi, E. O. (2019). Reader response criticism. In B. M. Mbah (Ed.), *Theories of contextual linguistics: Articles in Honour of Professor Gabriel Ihuarụugo Nwazuzu* (pp. 224-243). Awka: Amaka Dreams Ltd.

Uzochukwu, S. (2012). *Akanka na nnyocha agụmagụ Igbo*. Onitsha: Pacific Publisher Limited.

White, L. (1989). *Universal grammar and second language acquisition*. John Benjamins Press. Philadelphia.